# MKPỤRỤ MUSTARD AHỤ NA IHE NÁEKÓ ACHỊCHA

## Matiu 13:31-33

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 77 - NKe Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mgbe ahu ka ndi ezi-omume gēnwupu dika anyanwu n'ala-eze nke Nna-ha" (Matiu 13:43).**

**Ajụrụ Ndị Ju N'ihi Ekweghị ekwe**

Anyị mụrụ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga na Alaeze Eluigwe nwere mmalite ya mgbe ahụ Jisọs nọ n'ụwa. Jisọs jègharịrị ebe niile náekwusa Alaeze Ya, nye Ndị Ju na mbụ ma nye kwa Ndị Mbaọzọ.

Ndị Ju bụrị ndị Chineke rọpụtara, bụrụ kwa ndị nwere olileanya na ha gaabụ ụmụ nke alaeze ahụ; ma mgbe ha jụrụ ịnabata òzízí nke Jisọs, Ọ sị: "Ma asim unu, na ọtutu madu gēsi n'ọwuwa-anyanwu na ọdida-anyanwu bia, so kwa Abraham, na Aisak, na Jekob, nānọdu n'ala-eze elu-igwe: ma agāchupu umu ala-eze ahu bà n'ọchichiri nke ezi: n'ebe ahu ka ikwa-ákwà na ita ikekere-eze ahu gādi" (Matiu 8:11, 12). Ndị ahụ nke náabịa "site n'ọwuwa-anyanwu na ọdida-anyanwu" bụ̀ ndị ahụ kwereekwe site ná Ndị mbaọzọ. Chineke enyewo anyị oghere iso banye n'Alaeze Ya.

**"Ihe Nzuzu Niile Nke Ụwa"**

Jisọs jiri mkpụrụ mustard tụnyere Alaeze Ya. N'obodo ahụ mkpụrụ mustard bụ̀ otù nime mkpụrụ dịkarịsịrị ntà, ma ọ naetó bue ịbù karịa ahịhịa ọzọ -- fọdụ kwa ntakịrị ka o torue ka osisi. N'oge ahụ Jisọs naekwusa, alaeze Ya dị ntakịrị nke ukwuu. Ọ bụ Ndị Ju ka O kwusara okwu karịsịa, anyị matakwara na n'ụbọchị Pentikọst ahụ ha dị náánị otù narị na iri mmadụ abụọ ndị rubereisi n'iwu Ya ịchere n'ụlọ elu rue mgbe eweere ike nke si n'elu mejue ha. Ndị ahụ ndị zara òkù Ya abụghị ndị ukwuu dịka ndị ụwa naakpọ mmadụ onye ukwuu; ha si n'etiti ndị naakụ̀ azụ̀, ndị ọnaụtụ̀, ụmụ ogbenye, ndị ajụrụajụ̀. Ma Jisọs "rọputara ihe nzuzu nke uwa, ka O we me ka ihere me ndi mara ihe" (I Ndi Kọrint 1:27).

Mgbe Mmụọ Nsọ bịakwasịchara ndị náesoụzọ Ya, ha natara ike ịga n'ụwa niile ikwusa okwu nke Alaeze ahụ. Ọ malitewo itóetó. Ndịkom ahụ náadịghị ike ndị gbapụkwara site n'ubi ahụ agbara ogige mgbe óké igwèmmadụ ahụ bịara ịdọkpụrụ Jisọs, nwereike ugbu a iguzo náasọghị anya ọ bụla n'ihi òzízí ahụ na mkwusa Oziọma nke alaeze ahụ ọ bụ ezie na ọ pụtara ọnwụ nye ha. Otú a ka Alaeze ahụ malitere itó, anaatụkwasịkwara nzukọ ha mkpụrụobi ndị anaazọpụta, náagbanyeghị mkpagbu siriike ha naenwe.

N'otù n'otù ndịozi ahụ na ọtụtụ ndị náesoụzọ Jisọs ka egburu n'ihi okwukwe ha kwere na Jisọs. Ma ha nwere ntụkwasịobi siriike banyere Alaeze ahụ O kwusaworo ha nke mere na ha alaghị àzụ̀ inye ndụ ha n'ọnwụ ka ewee rita ndịọzọ n'urù nye Alaeze ahụ.

**Ịnụọkụ N'Obi Nke Ná Ezighị ezi**

Ọgbọ nke Ọchịchịrị ahụ bịara mgbe egburu ọtụtụ ndè mmadụ n'ihi okwukwe ha. Ma nke a ò mere ka Alaeze ahụ laa n'iyi? Ịga n'iru na ịdịelu ka osisi mustard ahụ ji náetó -- ọ ka naetó kwa rue taa. "Agēkwusa kwa ozi ọma nka nke ala-eze elu-igwe n'elu-uwa dum madu bi, ka ọ buru àmà nye mba nile; mgbe ahu ka ọgwugwu ihe nile gēru kwa" (Matiu 24:14). Nke ahụ naapụta ọgwụgwụ nke ọgbọ a, ọ bụghị ọgwụgwụ nke Alaeze ahụ. Alaeze ahụ ganaaga rue mgbe niile ebighịebi. N'oge nke ọchịchị Puku arọ ọ gaekpuchi ụwa niile, onye ọ bụla gaeketa kwa urù niile dị nime ya, dịka anụufe nke eluigwe náanọ n'alaka mustard ahụ.

**Ihe Ahụ Nke Náekó Achịcha**

Jisọs tụụrụ ndị ahụ ilu ọzọ nke kọwara mgbasa nke Alaeze eluigwe. Nke a bụ̀ itóetó nke ihe náekó achịcha, maọbụ yist, n'iheoriri. Ọ bụrụ na ileruwo ndị náeme achịcha anya, ị gaachọpụtawọrị na ntakirị yist agwakọtara na ụtụ́ ọkà gaeme ka o kolie elu. Ihe mkpuchi nke efere eji eme ya agaghị eme ka ọ ghara ikoli; ike nke yist ahụ riri nne nke ukwuu na ọ gaeme ka ụtụ́ ọkà ahụ náebu ibu wee bulie ihe mkpuchi ahụ elu.

Ụmụmmadụ ndị jọrọnjọ n'ọtụtụ ọgbọ garaaga agbaliwo ịtụkwasị "ihe mkpuchi" n'Oziọma. Ọtụtụ ndị Kraist ka esogbuworo n'ụzọ dị ukwuu n'ịgba mbọ ka emebie mkwusa nke Alaeze ahụ; ma Alaeze ahụ naetó náaga n'iru náagbanyeghị ihe nguzogide niile. Agwakọtara ihe naekó achịcha nke Oziọma ahụ n'ụdị nri ọ bụla -- ọ gazuwo kwa n'obodo niile nke ụwa. Ọ bụ Okwu Chineke, ọ dịghị kwa ike mmadụ ọ bụla maọbụ Ekwensu pụrụ imebi ya pụọ n'eluụwa.

**Ọtụtụ Ihe Nke Dị Mkpà Anaachọ Maka Mmadụ Iketa Eluigwe**

Gịnị ka mmadụ gaeme ka ọ bàà n'Alaeze a? Jisọs sịrị, "Ọ bugh onye ọ bula nke nāsim, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, gābà n'ala-eze elu-igwe; kama ọ bu onye nēme ihe Nnam Nke bi n'elu-igwe nāchọ" (Matiu 7:21). Ọzọ kwa Ọ si: "Ọ buru na unu echègharigh, bia di ka umu-ntakiri, unu agagh-abà n'ala-eze elu-igwe ma-ọli" (Matiu 18:3).

Mgbe nwaokoro ọgaranya ahụ bịakutere Jisọs ịjụ Ya ụzọ nke nzọpụta, Jisọs hụrụ ya n'anya ma nwee kwa obi ụtọ ịnabata ya dịka onye nketa nke Alaeze Ya. Ma n'ihi na ọ chọghị ịrapụ àkụ̀ ya, nwaokoro ahụ laghachirị àzụ̀. Jisọs wee gwa ndị náesoụzọ Ya: "N'ezie asim unu, Ọ diri ọgaranya ike ibà n'ala-eze elu-igwe. Ọzọ kwa, asim unu, Ọ dikariri camel nfé igabiga n'anya àgìgá, kari ọgaranya ibà n'ala-eze Chineke" (Matiu 19:23, 24).

Ya mere anyị naahụ́ na ndị nke ji aghụghọ náàzá ndịKraist, na akpọkwarị "Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi," agaghị abà ma ọ bụrụ na ha erubeghị isi ime uche Nna ahụ; ọ gaabụrụ ndị ọgaranya ndị hụrụ àkụ̀ ha n'anya karịa Onyenzọpụta ihe siri ike ịbà; ọbụná ndị naemebi iwu agaghị enweike ịbà: "N'ihi na nka ka unu matara nke-ọma, na ọ digh onye ọ bula nke bu onye nākwa iko, ma-ọbu onye nādigh ọcha, ma-ọbu onye-anya-uku, nke isi ya bu onye nēkpere arusi, nwere ihe nketa n'ala-eze nke Kraist na Chineke" (Ndi Efesọs 5:5).

**"Ka Ala-Eze Gi Bia"**

Alaeze ahụ dị n'ógó nke itóetó ya ugbu a; anaanabata kwa ndị chọrọ ịga Eluigwe. Ụmụ nke Alaeze ahụ bụ̀ ndị ahụ nwere Alaeze ahụ nime obi ha.

Mgbe Jisọs gaabịaghachi ọzọ agaamalite Alaeze ahụ n'ụwa nke a, ma ndị ahụ kwere mkwà ezi mmekọrịta n'ebe Onyenzọpụta ahụ nọ gaenwe ókè n'ọchịchị udo nke otù Puku arọ n'ụwa. Jisọs kuziri ndị náesoụzọ Ya ka ha kpee ekpere sị, "Nna-ayi Nke bi n'elu-igwe, ka edo aha-Gi nsọ. Ka ala-eze-Gi bia. Ka eme ihe I nāchọ, dika esi eme ya n'elu-igwe, ka eme kwa otú ahu n'uwa" (Matiu 6:9, 10). Mgbe eguzobere Alaeze Chineke n'ụwa, agaemezu kwa ihe Ọ naachọ.

**Ụmụ Nke Alaeze**

Jisọs kwuru okwu maka oge ahụ mgbe Ya na ndị náesoụzọ Ya riri oriri Ikpèàzụ̀: "M'gagh-añu ihe si n'osisi vine puta ma-ọli site n'ugbu a, rue mgbe ala eze Chineke gābia" (Luk 22:18).

Lee otú o si dị mkpà na anyị gaenwe ọnọdụ n'Alaeze ahụ! Anyị gaelezianya hụ́ na ndụ anyị naamị mkpụrụ nke Mmụọ Nsọ: "Ihu-n'anya, ọñu, udo, ogologo-ntachi-obi, obi-ọma, idi-nma, ikwesi-ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imeru-ihe n'ókè" (Ndi Galetia 5:22, 23). Ọ bụrụ na anyị echègharịwo "we bia di ka umu-ntakiri," ma náenwe kwa ịhụn'anya Chineke n'obi anyị, anyị bụ̀ ụmụ nke Alaeze ahụ ugbu a, ma bụrụ kwa ndị gaenwe òkè n'ọchịchị Kraist mgbe Ọ gaabịa ọzọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ndị eburu ụzọ kwusaara Oziọma nke Alaeze ahụ?
2. Gịnị mere ndị Mbaọzọ ji buru ha ụzọ bata?
3. Òlee otú esi náagbasa Oziọma ahụ mgbe Jisọs lasịrị n'Eluigwe?
4. Gịnị dị ndị náesoụzọ Ya mkpà tupu ha enweike ịgbasa Oziọma?
5. Ònye naeme ka Alaeze ahụ náabaụba, náetó kwa etó n'ụbọchị taa?
6. Òlee otú anyị si enweta ike iritara Kraist mkpụrụobi n'urù?